Mmemme Mmọnwụ Akatakpa Dịka Ejije Ọdịnala N'ovoko, Enugwu Steeti, Naịjiria

Nke Si N'aka
Jacinta Ukamaka Eze, Patricia Nnedinso Ugwuanyi & Juliana Ginika Mamah
eze.ukamaka@unn.edu.ng 08069088560
juliana.mamah@unn.edu.ng 08063932170
Department of Linguistics, Igbo and Oyher Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka

Ụmị Edemede

Ọrụ nchọcha a na-enyocha mmọnwụ akatakpa ndị Ovoko iji gbaa mmebere ya n'anwụ. Ebumnobi nchọcha a bụ ihe ndị a: ịchọpụta etu iti akatakpa ndị Ovoko siri bụrụ ejije; ịchọpụta ndịiche dị n'etu iti akatakpa ndị Ovoko n'oge gboo na n'oge ugbu a; ịchọpụta uru na ọghọm dị n'iti akatakpa ndị Ovoko. Site n'ịgbaso usoro nchọcha nkọwa nke gụnyere ịgba ajụjụ ọnụ, ndị nchọcha tulere ma nyochaa isiokwu a etu o kwesiri. A gbadoro ụkwụ n'atụtụ ọdịdị wee mee nchọcha a. A chọpụtara na mmọnwụ Akatakpa ndị Ovoko bụ ejije ọdịnala Igbo; a chọpụtara mmebere mmeme iti mmọnwụ Akatakpa ndị Ovoko nke gụnyere agwa, njijè, ndị nkiri, obom, na ndị ọzọ; a chọpụtakwara na e nwere ndịiche n'usoro mmeme mmọnwụ akatakpa Ovoko n'oge gboo na n'oge ugbu a. E zipụtara uru dị n'iti akatakpa ndị Ovoko nke gụnyere ịkwalite omenala ndị Ovoko, ijikọta ndị Ovoko ọnụ, inye obi aṅụrị na ndị ọzọ. E zipụtakwara ọghọm dị n'iti akatakpa ndị Ovoko nke gụnyere ọnwụ ike, ntajianya na ndị ọzọ. A tụrụ anya na nchọcha a ga-enye aka ime ka ihe gbasara mmọnwụ dịka ejije ọdịnala doo anya nke ọma.

Ọkpụrụkpụ okwu: iti akatakpa, ejije ọdịnala, atụtụ ọdịdị, Ovoko, Igbo

1. Ntọala Nchọcha

Ejijé bụ emereeme e ji ejijè ihe mmadụ na-abụghị. Ejije bụ ọrụ nkà a rọrọ arọ nke na-ezu oke mgbe e mepụtara ya ka onye ọ bụla nọ ebe mmepụta mgbe a na-emepụta ya wee kirie (Nwadike 2003). Ihe e ji akpọ ya ejije bụ maka na nwoke nwere ike ijije nwaanyị maọbụ nwaanyị ejije nwoke, maọbụkwanụ mmadụ ejije anụmanụ. Isi sekpu nti n'ejije bụ emereeme. Ogenyi na Igiligi (2002:38-39) kọwara na "mkpụrụokwu a bụ *drama* si n'asụsụ Griik. Mpụtara ya bụ ime (to do or to

act)". Ha kọwakwara ejije dịka ụdị nka nke na-esite na mkparịtaụka na emereme akọwapụta ọchịchọ ụmụ mmadụ (a literary form that tells the story of human conflicts by the means of dialogue and action). Okebalama (2003:80) kọwara na ejije n'olu bekee bụ 'drama'. Na nkọwa ya, ihe e jiri kpọọ *drama* ejije bụ na ọ na-ejije agwa, ọnọdụ, ọdịdị, mmụọ, mmadụ, anụ ọhịa na anụ ụlọ na ihe ọbụla dị n'ụwa a, nke a hụrụ anya na nke a hụghị anya. Akwụkwọ nkọwaokwu bekee nke a kpọrọ *The Living Webster Encyclopedic Dictionary of English Language*, kọwara ejije dịka edemede iduuazi maọbụ ekwumekwu nke e mepụtara n'ụzọ mkparịtaụka, akụkọ agwa maọbụ akparamagwa, ọkachasị nke a ga-egosipụta n'elu nkwago.

E nwekwara ike ide ejije n'akwụkwọ mana e dee ya ede ma emepụtaghị ya emepụta, ọ bụghị ejije (Okebalama 2003). Emereeme metụtara ndụ na obibi ya. Ndụ na obibi ndụ metutara ihe ndị dịka; alụmụ di na nwunye, nkwenye dị iche iche, akwamozu, nkà na ụzụ na sayensị, echichi, ọmụmụ nwa, ọzụzụ nwa, okpukperechi, nakwa ụmụ ihe ndị ọzọ yiri ha. Akaeze, Aboh na Ugwuoke (2021) kọwara ejije dịka ụdịrị agụmagụ e mebere ka a na-emepụta ya n'elu nkwago n'ihu ndị nkiri maọbụ ndị nsoeme. Ha gara n'ihu kwuo na isi sekpunti n'ejije bụ njije. N'ejije, a na-enwekarị mkparịtaụka n'etiti agwa ndị na-emepụta ejije. Ọ bụ na mmepụta ka ejije na ezu- oke. Nwabụeze (2003) kọwara ejije dịka ọrụ nka (work of art) nke na-egosi ndụ ndị mmadụ na ọrụ site na igosi emereeme n'ụzọ mkparịtaụka dị n'etiti ndị mmadụ. Ejije dị n'ụdị abụọ: ejije ọdịnala nakwa ejije ugbu a.

Ejije ọdịnala Igbo na-eme emereme na-egosipụta ihe ndị Igbo kwenyere banyere okike, ebim ndụ, ihe a na-ahụ anya na ndị a dịghị ahụ anya. E ji ya akatọ ihe ọjọọ, egosipụta ezi omume ma jirikwa ya na-eto ihe ọma maọbụ aja ike. Aduku (2018) chọpụtara na mmebere ejije ọdịnala nke gụnyere egwu ọgụgụ, mkparịtaụka, igba egwu, emereme na ihe ndị ọzọ na-enye aka n'ịkwalite ejije ọdịnala. Ọ kọwakwara na ejije ọdịnala na-akwalite omenala Igbo. Ọkammụta, Okey-Agbo na nkuzi ya kọwara na mmebere ejije ọdịnala Igbo gụnyere; emereeme, mkparịtaụka, ndị omee/ndị ngosi, ndị nkiri (audience) arịa (props), ekike na etemete (costume/makeup), nkwago, nhazi akụkọ, ntọala dgz. A bịa n' etiti ndị Igbo, e nwere ọtụtụ omenala nke jupụtara na mmemme dịgasị iche iche dịka, alumdinanwaayị, nkupụta nwa, iri ji ọhụrụ, ịgba mmọnwụ, na ọtụtụ ihe ndị ọzọ dịgasị iche iche metụtara ndụ na obibi ya.

Mmụọnwụ bụ otu n'ime ejije ọdịnala e nwere n'ala Igbo. Mmụonwu bụ ijije nna nna anyị ha nwụrụ anwụ. Ndị Igbo kwenyere na e nwere ndụ n' ụwa ọzọ. Ọ bụ ya mere ha ji kwenye na ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ na emekọrịta. Ọ bụ nke a ka ha na-egosipụta site n'ejije mmọnwụ. Ha kwenyere na ọ bụ ndị ịchie nọ n'ala mmụọ na-abịa eleta ndị ezinaụlọ ha. Nwadike (2003:53) kọwara na "ọ bụ site n'ejije mmụọnwụ ka Igbo si egosipụta ndụ ndị mmụọ dị iche na nke ndị mmadụ". Ndị Igbo na-esi n'ejije mmụọnwụ ezipụta ka ha si kwenye n'etu ndị mmụọ si ekwu okwu dịka n'imi n'imi, ọgịgara ije ha na ndị ọzọ. Ihe ndị a na-ezipụtakarị n'ejije mmụọnwụ bụ ihe ndị Igbo kwenyere na ọ bụ ihe ndị mmụọ na-eme. Ọ bụ maka na-anaghị ahụ mụọ anya mere na mmụọnwụ na eyi awuru ma kpuchie akụkụ ahụ ya niile. Ikeokwu na Onyejekwe (2004) kwuru na e nwere echiche maka mmụọnwụ. Ha zipụtara na mmụọnwụ sitere na mkpụrụokwu ndị a bụ "mmụọ na ọnwụ. Nke a pụtara mmụọ ndị nwụrụ anwụ maọbụ mmụọ ndị ichie. Ezema (2012) kọwara sị na mmọnwụ bụ ndị nwụrụ anwụ na-abịa n'ihi na ha chọrọ mmekọrịta n'etiti ha na ndị dị ndụ. Echiche ndị a bịara n'ihi na o nweghi ebe e deturu n'akwụkwọ ka mmọnwụ siri bido. N'atụmatụ ndị a niile, n'ihi na ọ bụ mmadụ na-eyi ihu mmụọnwụ e wee kpọọ ya mmọnwụ; ya bụ ijije ihe mmadụ abụghị ka a na-ezipụta na mmụọnwụ.

E nwere ụdị mmụọnwụ dị iche iche dịka; Akatakpa, Ọmabe, Odo, Okorosha, Agbọghọ mmụọ, Ijele, Ayaka, Ajibuusu, Obidike na ọtụtụ ndị ọzọ. Nchọcha a lebara anya n'iti mmụọnwụ akatakpa n'ala Ovoko Akpuruokwe, ọkachasị etu iti mmụọnwụ akatakpa si bụrụ ejije ọdịnala. Na mba ụwa niile, n'oge ochie, omenala ndị bụ ihe nke a na-ejidesi ike ma na-asọpụrụ nke ukwuu. O nweghị obodo na-achọ ka omenala ha nọdụ ọnọdụ ọdị ndụ ọnwụ ka mma. Nchọcha a na-atụle iti mmụọnwụ, etu o si metụta mmụonwụ akatakpa n'ala Ovoko Akpuruokwe nke dị na mpaghara ndịda ọwụwa anyanwụ nke gọọmenti ime obodo Igbo-Eze South nke Enugwu steeti.

Odo (2014) kọwara na ọnụọgụgụ ndị Ovoko karịrị ihe dịka puku iri na asatọ. Ovoko nwere mpaghara atọ nke gụnyere Ụmụ Elọ, Ụmụ Lọọlọ na Ejuọna. Dịka akụkọ niile metụtara nsibido ihe ọdịnala, ọ na-ahịa ahụ ịchọpụta etu ihe ọbụla siri bido. Ọdighị onye mara etu maọbụ oge mmụonwụ akatakpa malitere n'Ovoko Akpuruokwe, ya mere mgbe ọbụla a na-eme ihe ọmụmụ nsibido ọbụla, ihe anyị ga-ahụ na-abụ echiche dịgasị iche iche gbasara etu ihe si bido. Otu onye na ndị

anyị gbara ajụjụ ọnụ n'Ovoko kọwara na mmeme iti mmụọnwụ akatakpa so wee bụrụ ọdịnala na ọdịbendị Ovoko nke bidoro n'oge gboo. Ọ kọwara na ndị Ovoko nwere nkwenye na ọnwụ abụghị isinjedebe ndụ. Ha kwenyere na ndị nna nna ha nwụrụ ezigbo ọnwụ na ndị dị ndụ na-enwe mmekọrịta. Ha kwenyere na ndị ịchie nọ n'ala mmụọ na-eleta ezinaụlọ ha anya ma na-egbokwara ha mkpa dị iche iche. O kwukwara na ọ bụ nkwenye a ka ha na egosipụta site n'iti mmụọnwụ akatakpa. Ọ bụ n'ọnwa nke asaa n'afọ ọbụla ka a na- eme mmeme iti mmụọnwụ akatakpa. Ọ bụkwa mkpụrụ ụbọchị atọ bụ ahịa Nkwọ, Eke na Orie ka a na-eme ya.

N'oge mbụ, ọ na-abụ mmeme a fọdurụ mkpụrụ ụbọchị abụọ ka ndị mmụọnwụ a na-akpọ Ịkpọnyị na Oyerenweze na-apụta na-agagharị n'ogbe dị iche iche. O nweghi onye na-ahụ ha anya ma ọ bụ metu ha aka. Ha ga na-eti mkpu na-agagharị, mgbe ndị mmadụ richarala nri abalị, wee na abanyecha na mbaraezi ndị mmadụ. Ọ bụrụ na ha bia na mbaraezi onye na-eme ezigbo omume, ha ga ejiri ikwu n'imi n'imi na- aja ya ike ma na akọwapụtara ya na ihe ọ na eme dị mma. Mgbe ha bịara na mbaraezi onye na-eme ajọ ihe, ha akọwa ya ọnụ dị iche iche, kpewe ya ikpe wee na agwa ya ihe ọjọọ niile ọ na-eme. Mgbe ha kwuchara, ha ebido chịwa ya ọchị ma kpọwa ya mkpu. Ha na- anọte aka na mbaraezi onye ajọ mmadụ ebe ha ji ịkpọ mkpu na ịchị ọchị eme ya akaje. Ndị Ovoko nwere ụdị mmọnwụ dị iche iche nke gụnyere: Akatakpa, Ọmabe, Ekpe, Igele, Ozuruigbo, Èkwé, Adaada, Odoshire na ndị ọzọ mana ọ bụ mmọnwụ akatakpa ka ndi omee nchọcha ga-agbado ụkwụ na nchọcha a.

Ndị Igbo tụrụ ilu na Awọ anaghị agba ọsọ ehihie n'efu. O nwere nsogbu kpaliri mmụọ ndi nchọcha ji wee bagide ọrụ nchọcha a. O teela aka ndị mmadụ ụfọdụ ji nwewe nrụrịtaụka n'ihe gbasara ejije ọdịnala Igbo. Ọzokwa, bụ na ndị Ovoko na-eleda omenala ha anya tụmadị ka o si metụta mmụọnwụ akatakpa. Ndị ụka Kraist nakwa échì omenala mmụọnwụ akatakpa n'ala Ovoko Akpuruokwe ọnụ n'ala. Nke a bụ na n'ihi na ndị ụka na-elegara iti akatakpa anya dịka ife arụnsị mana n'eziokwu, iti akatakpa bụ ejije ọdịnala ma bụrụkwa ụzọ ndị Ovoko si ezipụta nkwenye ha na ndụ na-abịanụ. Ọ bụ ihe dị mma ịchọpụta nsogbu tupu na e gbobe ya bụ nsogbu. Ọ bụ ọnọdụ a kpaliri ndi nchọcha ịchọpụta ọdịdị iti mmụọnwụ akatakpa Ovoko n'ihi na o nwebeghi nchọcha e merela banyere ya nke ndi nchọcha a hụrụla.

Ihe ọbụla na-eme nwere ihe kpatara ya; tupu ndi nchọcha abanye n'ọba nchọcha, o nwere ihe di oke mkpa ha bu n'uche ịzipụta. Ebumuche nchọcha a bụ ịza ajụjụ chere anyị n'ihu gbasara mụọnwụ akatakpa n'Ovoko Akpụrụokwe dika ejije ọdịnala. Ihe ndi nchọcha ga-eme gụnyere: ịchọpụta etu iti akatakpa ndị Ovoko siri bụrụ ejije, ịchọpụta ndịiche dị n'etu iti akatakpa ndị Ovoko n'oge gboo na n'oge ugbu a na ịchọpụta uru na ọghọm dị n'iti akatakpa ndị Ovoko.

Nchọcha a gbasara omenala iti mmụọnwụ nke metụtara ndị Igbo niile. Ala Igbo bụ obodo buru nnukwu ibu mana ebe ndi nchọcha gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha kpọm kwem bụ n'iti mmụọnwụ n'Ovoko Akpuruokwe nke dị na mpaghara ndịda ọwụwa anyanwụ nke Gọọmenti ime obodo Igbo-Eze South nke Enugwu steeti. Abịa n'Ovoko, e nwere mmụonwụ dị iche iche mana ebe anyị ga-agbakwasị ụkwụ bụ na mụọnwụ akatakpa. Ihe ọmụmụ gbasara iti mmụọnwụ nwegasịrị isi okwu dị iche iche e nwere ike ilenye anya na ya nke gụnyere: isiokwu na ndịnisiokwu mmeme mmụọnwụ, asụsụ mmụọnwụ, ndịna mmeme mmụọnwụ na ndị ọzọ mana ebe anyị ga-agbado ụkwụ maka nchọcha bụ mmụọnwụ akatakpa dịka ejije ọdịnala Igbo site n'usoro eji eme ya na ndịna emereme ya.

Mbah, Ikeokwu, Okeke, Mbah, Nweze, Ugwuona, Akaeze, Onu, Eze, Prezi na Odii (2013) kọwara nchọcha dịka ntụle e hiri asaa n'anya mee iji chọpụta ihe dị aṅaa nakwa ịmụta ihe ọhụrụ. Onah, (2018) kọwakwara na nchọcha bụ ihe tozuru etozu mgbe o nwegasịrị uru maọbụ ihe mmụta dị iche iche ndi omee nchọcha chọro izipụta. Uru nchọcha a bara bụ na ọ ga-enye aka ighọta ihe ejije ọdịnala bụ n'ezie. Ọ ga-emekwa ka ndị mmadụ mata ihe ndị a gbakwasara ụkwụ wee na-akpọ iti mmụọnwụ akatakpa ejije ọdịnala. Ọ ga-eme ka ndị mmadụ ghara ileli iti mụọnwụ akatakpa ya na ka ndị ụka ghara ịhụta iti mmụọnwụ akatakpa dịka ihe ọjọọ. Ọzọkwa, nchọcha a ga-enyekwa aka ịmata mbunuche e ji wee wube akatakpa na etu e si wee wube ya. Nchọcha a nwekwara ike inyere ndị ihe ọmụmụ n'ọdịnihu aka n'ime ihe ọmụmụ yiri nke a maọbụ karịa ya. N'ịganihu, nchọcha a ga-esonye n'ihe ndị nchọcha n'ọdịnihu ga-na agbakwasị ụkwụ wee na-eme ihe ọmụmụ maka ọdịmma na ọganihu asụsụ, omenala na agụmagụ Igbo. Ọrụ nchọcha a ga-abụ ihe mgbakwasa ụkwụ nyere agbụrụ na-abịa n'ihu ya na ndị niile chọrọ ịma ihe gbasara Ovoko, omenala na njirimara ya dịka o si metuta mmọnwụ akatakpa. Ihe ọmụmụ dị otu a ga-enye aka iziputa uru na mma dị n'omenaala Igbo ọ kachasi omenaala ndị ahụ a na-eleghara anya n'oge ugbu a.

Ndị ndi nchọcha gabịgara ọtụtụ ihe nhiahụ mgbe ha na-eme nchọcha ya. Ihe nhiahụ ndị dapụtara gụnyere: ọtụtụ ndị okenye ekweghi agwa ndị ndi omee nchọcha ihe niile banyere mmụọnwụ maka na ha bụ ụmụ nwaanyị. Ndị Igbo kwenyere dịka omenala ha siri dị na ụmụnwaanyị ekwesighi ịma mmọnwụ n'ihi na ọ bụ arụ, mana ndị ndi nchọcha nwere onye nduụzọ nwoke nke ọ kwụrụ ụgwọ wee kọwaara ya nke ọma ihe niile a tụrụ anya banyere nchọcha a. Ọ bụ onye nduụzọ a nyere aka n'ịchọpụta ihe nzuzo niile banyere iti mmụọnwụ akatakpa.

2. Ntuleghaṛị agụmagụ

2.1 Atụtụ ọdịdị (Formalism)

Atụtụ ọdịdị bụ atụtụ agụmagụ malitere na Moscow na St. Petersburg na mmalite senchuri iri abụọ. Atụtụ ọdịdị na-agbado ụkwụ n'inyocha ọdịdị agụmagụ, ọ naghị eleba anya n'ihe agụmagụ na-ekwu maka ya maọbụ omenala pụtara ihe n' agụmagụ. Ndị bu atụtụ ọdịdị a n'isi gụnyere Boris Eichenbaum, Victor Shklovsky na Roman Jakobson (Abrams na Harpham, 2012). Ọ bụrụ na ọtụcha jiri atụtụ ọdịdị na-atụcha agụmagụ, ebe obi ya na-adị bụ n'etu e si dee agụmagụ. Nwahunaya (2012) kọwara na atụtụ ọdịdị na-eleba anya na ngwa agụmagụ ndị pụtara ìhè n'ọrụ agụmagụ. Atụtụ ọdịdị anaghị anabata mmekọrịta na-adị n'etiti agụmagụ na ngalaba ọmụmụ ndị ọzọ dịka ọmụmụ ụbụrụ na ọmụmụ obodo. Ka ọ si dị, atụtụ ọdịdị anaghị ewebata ihe gbasara obodo, akụkọala, ndọrọndọrọ ọchịchị maọbụ nsirihu ụwa na ntụcha agụmagụ. E wepụ ịtụcha nkàmma dị n'ọrụ agụmagụ nke atụtụ ọdịdị na-enyocha, atụtụ ọdịdị na-enyocha ma a gbasoro usoro e kwesiri ịgbaso n'ide ụdị agụmagụ ahụ ka ọ bụ na a gbasoghi. Ya bụ na ihe a tụrụ anya n'aka onye ji atụtụ ọdịdị atụcha agụmagụ bụ ileba anya na nkàmma/mmewere dị n'agụmagụ nke gụnyere: nhazi agụmagụ, keesirihụ, asụsụ, ntọala na agwa. N'echiche ndị tụpụtara atụtụ ọdịdị, ụwa n'agụmagụ tozuru etozu. Ya bụ na ọ baghị uru na e webatara ihe ọzọ na ya.

Ihe mere ka a mara atụtụ ọdịdị bụ maka na ọ na-enye ndị ọgụụ ohere isi n'ihe ha gụtara naanị n'ọrụ agụmagụ nwee obi aṅụrị. Mana ka oge na-aga, a katọrọ atụtụ ọdịdị. A katọrọ ya n'ihi na ọ chọghị ka e were ihe ọzọ si na ngalaba ọmụmụ ọzọ tụcha agụmagụ. Steiner (1995) kọwara sị na n'ihi na o nweghị ihe ọzọ e nwere ike iji tụcha agụmagụ belụsọ nkamma na ngwa agụmagụ, atụtụ ọdịdị adabachaghị adaba. Ka o sila dị, ha bụ ihe ndị na-eme ka agụmagụ tọọ ụtọ ịgụ. Ọ bụrụ na nkamma dị n'agụmagụ adịghị etu o kwesiri, agụmagụ anaghị atọ ụtọ. Atụtụ a na-

elebe anya na nkamma dị n'agụmagụ nakwa ngwa agụmagụ. Ọ bụ ya kpalitere mmụọ anyị ịchọ ihe ndị mebere ejije ọdịnala dị n'iti mmụọnwụ akatakpa iji mata ma o nwekwara akọrọngwa/nkamma ndị ahụ e kwesiri ịhụ n'ejije ọdịnala.

Atụtụ ọdịdị na-agbado ụkwụ na nkamma agụmagụ ndị pụtara ihe. Ọ na-enyocha nkamma dị n'ọrụ agụmagụ. A ga-eji atụtụ njiarụọrụ a tụcha mbunuche nke mbụ nke bụ etu iti akatakpa ndị Ovoko si bụrụ ejije ọdịnala. Mbunuche ndị ọzọ ga-abụ site na nkọwasị ka a ga-esi tụchaa ha.

2.2 Ntulegharị ọrụ ndị a rụrụla gbasara isiokwu

N'ihi na otu aka anaghị eke ngwugwu, ọtụtụ ndị nchọcha na ndị agụụ mmụta na-agụ emeela ọtụtụ nchọcha banyere ejije ọdịnaala nakwa omenala iti mmụọnwụ n'ala Igbo, n'agbanyeghi na o nweghi nke e dere banyere mmọnwụ akatakpa nke Ovoko Akpuruokwe nke bụ isi a hụrụ kwaba okpu na nchọcha a.

Agbedo (2011) mere nchọcha banyere mmeme ọmaba Ibagwa-Aka. Ebumnuche ya bụ ime ka ihe mgbagoju anya dị n'ejije ọdịnala Igbo dowanye anya. Ọ gbasoro usoro ajụjụ ọnụ na ịga n'ọwaozi (internet) wee nweta ihe o jiri mee nchọcha ya. O jikwara usoro atụtụ dị iche iche mee nchọcha ya. Ọ chọpụtara na emume mmụọnwụ ọbụla nwere ike ịbụ ejije. Ọ chọpụtakwara agwara dị iche iche dị n'emume ọmabe Ibagwa-Aka. Myiri dị na nchọcha nke Agbedọ na nke a bụ na ha abụọ na-ekwu maka emume mmụọnwụ ịbụ ejije. Ndịiche dị na ha bụ na Agbedọ lebara anya na emume ọmaba Ibagwa-aka kpọm kwem mana nke a gbadoro ụkwụ n'ihe gbasara mmụọṅwụ akatakpa dịka ejije ọdịnala n'Ovoko Akpuruokwe kpọm kwem.

Anene (2011) mere nchọcha banyere mmụọnwụ dịka ngalaba na-akwado iwu n'ala obosi. Ebumnuche ya bụ ịrụtụ aka n' ọnọdụ mmụọnwụ n'ala obosi n'oge gboo ma tụnyere ya ọnọdụ mmụọnwụ n'oge ugbu a. Ọ chọpụtara uru mmụọnwụ bara n'itinye iwu obodo n'ọrụ. Ọ gbasoro usoro ajụjụ ọnụ na nlegharị adim (survey) wee mee nchọcha ya. O ji usoro atụtụ dị iche iche mee nchọcha ya. Ọ chọpụtakwara na mmụọnwụ na-akwalite obibi ndụ ndị obosi na agamnihu n'obodo ha. Myiri dị na nchọcha nke Anene na nke a bụ na ha abụọ na-ekwu maka mmụọnwụ. Ndịiche dị na ha bụ na Anene lebara anya na mmụọṅwụ dịka ngalaba

nkwado iwu n'ala Obosi kpọm kwem mana nke a gbadoro ụkwụ n'ihe gbasara mmụọnwụ akatakpa dịka ejije ọdịnala n'Ovoko Akpuruokwe kpọm kwem.

Iyida (2017) mere nchọcha gbasara mmeme ọmabe Imufu Enugwu Ezike. Ebumnuche ya bụ ịchọpụta etu esi eme mmeme ọmabe Imufu Enugwu-Ezike. Ọ chọpụtara na enweela ihe mgbanwe na ya bụ mmeme. Ọ gbasoro usoro ajụjụ ọnụ na isonye n'emume wee nweta njiatule ya. O jikwa usoro atụtụ dị iche iche mee nchọcha ya. Ọ kọwara na mgbe mbụ na ime emume ọmabe Imufu Enugwu Ezike bụ ihe tara nnukwu akpụ mana n'oge ugbu a, mmepe na awamanya abataala, a na-emezi ya n'ụzọ ọ ga-adị mfe. Ọ gara n'ihu kwuo na ndị nwere mmasị n'ime ya bụ emume pere mpe karia ka ha dịbụ na mbụ. Myiri di na nchọcha a nke Iyida mere na nchọcha a m na-eme bụ na ha abụọ na-ekwu maka emume mmọnwụ ebe ndiiche dị na ha bụ na nchọcha nke Iyida gbadoro ụkwụ na mmụọnwụ ọmabe Imufu Enugwu-Ezike ebe nchọcha nke a gbadoro ụkwụ na mmụọnwụ akatakpa n'Ovoko Akpuruokwe.

Site na ntulegharị agụmagụ anyị merela, anyị chọpụtara na-iti mmọnwụ bụ otu n'ime ihe dị oke mkpa n'ala Igbo. Otu ihe kacha wee pụta ihe na nkọwa iti mmọnwụ e mere na ntuleghari agụmagụ a bụ na ọ na-akwalite omenala Igbo. Site n'ole ndị omee nchọcha mara, anyị hụtara na o nwebeghi onye merela nchọcha n'iti akatakpa Ovoko dịka ejije ọdịnala. Ọ bụ ya mere ndị ọchọcha a sịrị ka ha lebaa isiokwu a bụ mmọnwụ akatakpa Ovoko dịka ejije ọdịnaala anya iji tunye ụtụ nke ya n'agụmagụ.

3. Ngosi Na Ntụcha Njiatule

Ọchọcha a lebara anya n'etu mmụọnwụ akatakpa ndị Ovoko Akpuruokwe siri bụrụ ejije ọdịnala. Ọ bụ nke a ka ndi nchọcha ga-atule n'uju site n'ịtụcha njiatule (data) ha nwetara site n'ajụjụ ọnụ a gbara ndị okenye n'obodo nakwa ihe ndị a hụrụ n'oge iti mmọnwụ Akatakpa ndị Ovoko.

3.1 Etu iti akatakpa ndị Ovoko Akpuruokwe si bụrụ ejije ọdịnala.

Anyị ga-achọpụta mmebere dị iche iche dị n'iti mmọnwụ Akatakpa Ovoko ka e wee nwe ike gba ọdịdị ya n'anwụ wee mata ma ọdịdị ya gbasokwara ọdịdị agụmagụ ọdịnala dịka anyị siri gosi n'isi nke abụọ na nchọcha a**.**

E nwere ihe ụfọdụ mebere mmeme iti mmụọnwụ akatakpa ndị Ovoko. Iti mmụọnwụ akatakpa nwere nkamma nke mebere ihe a na-emepụta. Ihe ndị ahụ gụnyere: njijè, agwa/omee, emereme, ndị nkiri/nsoeme, obom, ntọala, nhazi, mkpariṭaụka, akparamaagwa, ọdịdị na ejiji/ekike. Ka anyị lebaa ha anya n'ótù n' ótù.

Njijè: Njijè bụ ime omume ka mmadụ, mmụọ, anụmanụ maọbụ ihe ọbụla ị na-ejijè. Mmụọnwụ akatakpa Ovoko na-agbanwe olu ya ma were ikwu n'imi n'imi n'ejijè ndị mmụọ. Ha na-eyikwa awuru iji gosi na ha bụ mmụọ. Mgbe ha na-eme ihe ndị a, emereme a na-adị ụtọ ma ghọọkwa eziokwu. Njije dị n' iti akatakpa ndị Ovoko dịkwa n'ejije ọdịnala.

Emereme: Emereme na-enye aka iji hụ na ndị nkiri ghọtara ihe a na-eme ma e nwere asụsụ ma e nweghi. Mgbe onye na-akwa ọja bidoro kwawara akatakpa ọja n'ụzọ puru iche, akatakpa ejiri aka ya naabọ rịwa elu ósísí nkwụ (palm tree) maọbụ osisi ụkpaka. Ụfọdụ akatakpa na-amachara egwu banye n'ime ọhịa wee kata akwụkwọ ndụ, jiri ya n'aka machara egwu pụtawa. Emereme dị n'ejije ọdịnala dịkwa na mmeme iti akatakpa. Mmeghari ahụ bara nnukwu uru na mmeme iti akatakpa dịka o si dị n'ejije ọdịnala. A na- akpọpụtara ha ụmụaka na-emere nne na nna ha isiike, ha were ụtarị yie ha egwu iji mee ka ha kwụsị ajọ omume ha.

Agwa/Omee: Nke a bụ otu n'ime ihe ndị dị ọkpụrụkpụ mebere iti mmụọnwụ akatakpa ndị Ovoko. E nwere agwa/ndị omee dị iche iche nke gụnyere; akatakpa, ozioko akatakpa, ndị na-akụ ngwa egwu dị iche iche dịka ùdù, ìgbà, ògénè, ékwé na ndị na-agbakwa egwu. E nwekwara ndị na-ama mbem, ndị ọzọ na-akwa ọjà. Ozioko akatakpa na-ewere ọjịị gọọ ọfọ, mgbe ọ gọọchara ọfọ ebido ịma mbem, akatakpa ọbụla ejiri obi ụtọ na-amachagarị egwu na gburugburu ama ahụ niile. Ụfọdụ na-amachara egwu batawa n'ihu ama ahụ (obom), nke ọbụla batara, ọ machara egwu gafee.

Ndị nkiri: E nwekwara ndị nkiri na mmeme iti akatakpa ndị Ovoko. Ndị Ovoko na ndị obodo ọzọ gbara Ovoko gburugburu na-abịa ekiri emereme a ma na-enwe mmasị na ya. Ọ bụ site n'omume ndị nkiri ka ndị omee ga-esi mara ma ha na-eme nke ọma maọbụ na ha anaghị eme. E nwere ndị nkiri na mmeme iti akatakpa ndị

Ovoko dịka o si dị n'ejije ọdịnala. Ọ bụ ndị nkiri na-ahọpụta akatakpa ka gosiputa omenala Ovoko, nke ka maa mma nakwa nke ka machaa egwu, maka ịkpụ ehi, ebule, ewu maọbụ ọkụkọ nke bụ ihe nrita eji emerube iti mmọnwụ akatakpa ụbọchị uke.

Obom: Obom bụ ebe a na-anọ emepụta ejije ọdịnala. Oge ụfọdụ, obom ndị Ovoko anaghị abụ otu ebe, ha na-agagharị agagharị na-eme ihe ha na-emepụta, ndị nkiri esoro ha na-agagharị maka na ndị Igbo tụrụ ilu na anaghị anọ otu ebe ekiri mmọnwụ, mana n'ụbọchị nke abụọ na mmeme iti mmụọnwụ akatakpa Ovoko, obom akatakpa bụ n'ọma ahịa Eke Ovoko dịka ọ dị ugbu a. Ọ bụ n'ụbọchị nke abụọ bụ ahịa Eke ka akatakpa Ovoko niile, ndị Nze na Ọzọ na ndị mmadụ ndị ọzọ si ebe dị iche iche na-agbakọ n'Eke Ovoko n'ihu ọhanaeze igosipụta omenala na ịkpa ndị mmadụ obi ụtọ. Ndị nkiri na-agba ndị omee okirikiri wee na-ekiri ihe a na-eme. Ọ bụ ụdị obom nke a ka ndị bekee kpọrọ '*theatre in round*'. Ya bụ na e nwere obom na mmeme iti akatakpa ndị Ovoko dika ọ dị n'ejije ọdịnala.

Mkparịtaụka: Mkparịtaụka ná-ádị n'etiti agwa na agwa maọbụ ndị omee na-eme ka emereme pụta ìhè nke ọma. Mkparịtaụka nke akatakpa dị n'ụdị mmụọnwụ ikwu n'imi n'imi maka na ndị Ovoko kwenyere na ndị mmụọ na-ekwu n'imi n'imi. Ọ bụkwa ndị mmụọ ka a na-ejije. Ha na-eji akara nhibeama agwarịta onwe ha okwu. A na-eji olu ọja, ékwé, ogene na ikoro agwa akatakpa okwu. Nke a na-eme ka emereeme wee pụta ihe nke ọma. Oge ụfọdụ, mmọnwụ akatakpa na-ekwunyere ndị nkiri dịka o nwere ike ịdị n'ejije ọdịnala. Mkparịtaụka pụtara ihe n'ejije ọdịnala ma pụtakwa ihe n'iti mmọnwụ akatakpa ndị Ovoko.

Ejiji: Ejiji bụ ihe ndị omee na-eji emepụta omume ha. Akatakpa na-eji ejiji dịka mmụọ, ọ na- eyi awuru, tunyecha abụba n'isi ma kpanyekwa ya àshákpà/ákà n'okirikiri isi ya na anya ya abụọ iji gosi na ọ bụ mmụọ. Oge ụfọdụ, ọ na-eyi kwa ebari e si na jioko mepụta. Attama akatakpa na-anọ n'ejiji ya. Ọ na ekedo ọkụkọ dị ndụ n'ahụ ya ma teekwa Òdò (yellow powder) n'ihu ya. Ọ na-etunye abụba na-acha mme mme (red colour) n'isi ya. Ọzọkwa, ndị na-ama mbem na-ama akwa n'úkwù ma buru òdò (yellow powder) gbuo n'anya ha, wụọkwa ya n'ihu nakwa n'obi ha. Akatakpa ụfọdụ na-ekpukwa okpu eze n'isi ha na ya bụ mmeme. Ha na-achịkwa ụtarị n'aka iji na-eyi ndị mmadụ egwu iji gosi na ha bụ mmụọ. Ejiji bụ otu

n'ime ihe ndị mebere iti akatakpa ndị Ovoko ma dịrịkwa etu ahụ n'ejije ọdịnala Igbo.

Arịa: Arịa bụ ihe niile e ji eme emereme ejije ọdịnala belụsọ ejiji/ekike. Arịa Akatakpa Ovoko gụnyere mmanya, ọkpa, ọjị, oche, mkpọ, akupe, òdò (yellow powder), ehi, ebule, ewu, ọkụkọ, ogene, òpì, ọjà, mkpara, akupe na ihe ndị ọzọ. Arịa akatakpa ndị a anyị gụpụtara pụtakwara ihè n'ejije ọdịnala. Ihe ndị a niile na-ezu oke n'obom, ya bụ, n'ọma ahịa Eke Ovoko n'ụbọchị uke, bụ ụbọchị ha na-asọ mpi.

Asụsụ: Asụsụ e ji eme mmeme iti akatakpa ndị Ovoko bụ olundị (dialect) Ovoko, akpaala okwu ha, ilu, kwunkwukwa na ịma mbem na akara ihibama ndị mmụọ ji ezi ozi.

Ntọala: Ntọala iti akatakpa ndị Ovoko bụ n'ala Ovoko kpọmkwem ma bụrụkwa n'ọma ahịa Eke Ovoko. Ọ bụkwa ndị Ovoko na-ahazi ya ma bụrụkwa omenala na nkwenye ndị Ovoko ka ọ na-Ezipụta. Ya mere e ji tinye ihe nrịta na mmemme iti mmụọnwụ a ka ọ mee ka ụmụ okorobịa gbado anya nke ọma n'ịmụta omenala Ovoko bụ ala nna ha.

Nhazi: Nhazi iti akatakpa ndị Ovoko dị n'ụdị ewetaetii. A na-ahazi ya site n'emume baa n'emume, site na nkiri banye na nkiri ọzọ wee ruo n'isi njedebe mmemme a. Na ndubata, ụmụokorobịa ụfọdụ na-eji abalị na-efota ụbọchị emume iti akatakpa wee gbakọọ n'ọma ahịa Eke Ovoko wee na-eti ngwa egwu dị iche iche ma na-agbakwa ya bụ egwu ganye na chi efo. N'ụtụtụ ụbọchị ahụ, akatakpa ndị si n'ogbe dị iche iche mebere Ovoko akwadoo n'ụzọ pụrụ nnukwu iche wee pụta na-eme ndị mmadụ obi ụtọ site n'ịmachagarị egwu a na-akụrụ ha n'ogbe dị iche iche ganye na ọ kụọ elekere nke iri na abụọ nke ehihie bụ mgbe ha niile ga-agbakọ n'ọma ahịa Eke Ovoko maka emume ahụ kpọmkwem. Akatakpa ọbụla rutere n'ọma ahịa ahụ, ya na ndị otu ya anọrọ n'otu akụkụ wee na-eti ma na agbakwa egwu ganye na a kpọpụta ya maka ịmacha egwu n'obom.

Mgbe ihe ndị a na-eme, attama akatakpa abata n'obom were ọjị gọwa ọfọ, mawa mbem. Mgbe ọ machara mbem, okwuru ọha nke a kpọrọ *master of the ceremony* n'asụsụ bekee ebido kpọpụtawa aha akatakpa dị iche iche na ka ha ga-esi bata

n'obom maka ịmacha egwu na ịgba egwu. Akatakpa ọbụla onye nziozi kpọrọ aha, ọ machara egwu bata n'obom kelee ndị okenye, ndị ozioko na ndị mmadụ niile gbakọtara maka emume iti mmọnwụ akatakpa nke afọ ahụ, o bido gbawa ekwu a na-akụrụ ya ganye na oge nke ya ezuo. Ọ bụ etu a ka akatakpa ọbụla a kpọpụtara na-eme ganye na ha agwụsịa.

Mgbe nke a gachara, ndị okenye na ndị ozioko ga-akpọpụta akatakpa ndị kacha maa mma, gbaa egwu ma machaa egwu bụ ndị nwere ihe nrịta dị iche iche dịka; ehi, ebule, ewu maọbụ ọkụkọ ka ha bịa were ihe nrịta ha. Ihe nrịta ha na-esite etu ha siri maa mma, machaa egwu ma gbakwa egwu nke ọma. Ọ bụ iwere ihe nrịta ndị a ka e ji ewete emume iti mmụọnwụ akatakpa nke afọ ahụ n'isi njedebe, a gọọ ọfọ mmechi, onye ọbụla alawa. Ụdị nhazi a pụtara ihe n'ejije ọdịnala Igbo dị iche iche.

Ọ bụrụ na anyị lee anya, anyị ga-ahụ n'iti mmọnwụ akatakpa ndị Ovoko nwere n'uju ya ihe niile mebere ejije ọdịnala Igbo nke gụnyere; Njije, emereme, omee, ndị nkiri, obom, ejiji, arịa, mkparịtaụka na ihe ndị ọzọ.

3. 2 NDỊỊCHE DỊ N'ETU ITI AKATAKPA NDỊ OVOKO N'OGE GBOO NA N'OGE UGBUA

O nweghi ihe ọbụla dị ndụ na-adighị agbanwe agbanwe. Ọ bụ sọọsọ Chineke kere eluigwe na ụwa bụ onye na-adighị agbanwe agbanwe. Ọ bụ nke a mere na e nwere ihe ụfọdụ dị iche n'iti akatakpa ndị Ovoko n'oge gboo na n'oge ugbu a. Ndị Ovoko nwere usoro ha ji eti mmọnwụ akatakpa n'oge gboo nakwa n'oge ugbu a.

3.2.1 Usoro iti akatakpa ndị Ovoko n'oge gboo

Dịka otu n'ime ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ si kọọrọ anyị, ndị Ovoko nwere usoro ha si eti mmọnwụ akatakpa n'oge gboo. Mgbe ahụ, akatakpa na-eji mmeme ọnwa asaa bido ma jiri mmeme uke kwụsị.

N'oge gboo, ọ bụ n'ọnwa nke asaa n'afọ ọbụla, n'ụbọchi ahịa Nkwọ ka a na-eme mmeme ọnwa asaa. N'ụbọchị ahụ, ụmụnwaanyị niile bụ ndị Ovoko bi na be di ga-esi ọkpa buru ya na oke ọkụkọ maọbụ mkpị ha gotere gaa na be isiọkpara (The eldest man in the extended family) ezinaụlọ nna ha, n'oge ehihie ịkene ma fee nna ha. Ọkpa, mkpị maọbụ ọkụkọ ahụ bụ iji wee kele nna nna ha etu o si echekwaba

ma na-egbokwa mkpa ezinaụlọ ha. Nna mụrụ ha n'afọ ga-esoro ha gaa na be isiọkpara. Nwoke ọbụla nna ya nwụrụ ga-egwunye ogige na-anọchite anya nna ya nke a na-akpọ "ọnụ nna" na be isiọkpara. E nwere ebe bụ ọnụ nna nke e jiri ogige gbaa okirikiri na be isiọkpara ọbụla. Ọ bụ n'ọnụ nna ahụ ka isiọkpara ga-anọrọ were ọjị gọọ ọfọ ma gbuo ọkụkọ maọbụ ewu were ọbara ya wụsaa n'ọnụ nna ahụ. Mgbe e sichara anụ ahụ, isiọkpara ewere ụfọdụ anụ, ọkpa ahụ ụmụada butere na mmanya nkwụ wụsaa n'ọnụ nna ahụ, nyee ya ekelee ma rịọ ya maka nchekwaba na ihe ọma nke ọdịnihu. Mgbe isiọkpara gọchaara ọnụ nna ahụ, e nye ya òkè nke ya dịka isiọkpara ma nyekwaa ụmụada ahụ ọra ewu maọbụ ọkụkọ bụ oke ha ji ala na be di ha dị iche iche. Ọ bụrụ na erichaa oriri, ndị be di ụmụada ahụ ga-achọta ha n'ezigbo mgbede mana ọ bụrụ na o nwere onye n'ime ha chọrọ ịrahụ na be nna ya, ụmụnne ya ga-edulazị ya na be di ya n'ụtụtụ. A na-enwe oke oriri na ọṅụṅụ na mmeme a maka na onye ọbụla ga eriju nri afọ, taa anụ, ma ṅụjuokwa mmanya nkwụ afọ n'ụbọchị ahụ. Ọ bụrụ na chi foo, akatakpa ebido pụtawa.

Akatakpa ga na-agaghari na-eme ihe egwuregwu, ndị mmadụ a na-enye ha ego ruo mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na asatọ ya bụ izu asaa. Na mkpụrụ ụbọchị nke iri abụọ na asatọ, akatakpa nke ogbe ọbụla ga-agbakọta, ha na ndị na akụrụ ha egwu na ndị na-amara ha mbem wee na-agagharị site n'otu ezinaụlọ wee ruo na ọzọ. Ndị nna ezinaụlọ ọbụla ga na-enye ha ji ebe ndị nne ga na-enye ha mmanụ. Ọ bụrụ na ha natachaa ihe ndị a, ha agaa n'ọkwụ arụsị akatakpa dị n'ama (village square) wee gbakọọ; ndị na-akụ egwu a na-akụ; ndị na-agba egwu a na-agbakwa; onye na-ama mbem ana-ama mbem. Mgbe nke a na-eme, onye ọ bụ ya ka ọ dịrị ịhụ ji ahụ n'ọkụ ga na-ahụ ji, mgbe a hụchara ji ndị ahụ, e were mmanụ ahụ e nyechara ha na-ezinaụlọ dị iche iche wee rie ha. Mgbe e rịchara oriri a, onye ọbụla alawa.

3.2.2 Usoro iti akatakpa ndị Ovoko n'oge ugbu a

N'ihi ọtụtụ ihe mgbanwe e nwerela n'ụwa nke mmadụ nọ n'ime ya, ọ bụzị usoro a ka e ji eti mmụọnwụ akatakpa ndị Ovoko n'oge ugbu a.

Ọ bụzị mkpụrụ ụbọchị atọ ka ndị Ovoko ji-eme mmeme a n'oge ugbu a. Ụbọchị ahịa Nkwọ, Eke na Orie n'ime ọnwa nke asaa n'afọ ọbụla. Iji mee ka omenala na-aga n'ihu, ndị nwere ego n'obodo na-ewepụta ọkpụrụkpụ ego azụta ehi, ụfọdụ na-azụta ebule, ụfọdụ azụta ewu maọbụ ọkụkọ eji eme mmeme a. N'ụbọchị nke mbụ bụ ahịa Nkwọ, ezinaụlọ ọbụla kwenyesiri ike na mmeme a na-esi ọkpa na

mgbede ma zụtakwa mmanya nkwụ na oke ọkụkọ maọbụ ewu ha ji eme mmeme a. Ọ bụ nna ezinaụlọ ga-ejiri ọjị gọọ ọfọ ma gbuo ọkụkọ maọbụ ewu ahụ, wụsaa ọbara ya n'ala. Ahụọ anụ ahụ n'ọkụ, isiọkpara ewere ụfọdụ anụ, ọkpa na mmanya nkwụ wụsaa n'ala, kelee nna nna ha ma rịọkwa ihe ọma n'isi ezinaụlọ ha. Mgbe o mechara nke a, ha bido riwe ihe oriri na ihe ọṅụṅụ dị iche iche. Ọ bụkwa ụbọchị a ka mmọnwụ akatakpa na-ebido pụtawa na-agaghari ebe dị iche iche n'Ovoko ma na arịọkwa ndị mmadụ ego n'okporo ụzọ ganye na chi ejie.

Na mkpụrụ ụbọchị nke abụọ bụ ahịa Eke, akatakpa na-ebido n'ụtụtụ pụtawa maka ịdata ego, mana o ruo na ehihie, ndi Ovoko niile ma ndị bi n'ụlọ ma ndị bi na ụzọije (abroadians) lọtara maka ya bụ iti akatakpa agbakọọ n'ọma ahịa Eke Ovoko maka mmeme a n'ụzọ pụrụ iche.

Figọ nke mbụ: Akatakpa na-eji ụtụtụ apụta ịdata ego tupu mmemme ebido



Ndị mmadụ na-esikwa n'obodo dị iche iche abịa maka ihe nkiri dị iche iche dị na mmeme iti akatakpa. Akatakpa niile dị n'Ovoko na-akwado mmeme a n'ụzọ pụrụ nnukwu iche maka na ọ bụ na ya ka ha na asọ mpi e ji amata akatakpa bụ ọkaibe n'Ovoko niile.

Fịgọ nke abụọ: Ndị nkiri



Ndị onyíshì ogbe ọbụla (the eldest man in each village) e nwere n'Ovoko na ndị ozioko dị iche iche ga anọrọ n'okirikiri ọma ahịa (obom) ahụ wee na ahazi mmeme a. A na-ejiri eriri kee n'okirikiri ama ahụ ma debe ehi, ebule, ewu na ọkụkọ n'etiti ya. Ndị mmadụ anọrọcha n'òtù n'òtù (group by group) wee na-eri ihe oriri na ihe ọṅụṅụ dị iche iche eji emerube ya bụ mmeme. Ọ bụ n'oge a ka onye ọ bụ ọrụ ya irụ ji n'ọkụ ji ebubeta n'ihu ama ji a hụrụ n'ọku na mmanụ e ji esu ya bụ nke e jiri ọtazị, ụkpaka, ose na unu gwakọ ọnụ ka ọ tọọ ụtọ nke ọma n'iri ya bụ ji. Ndị mmadụ ga na-eti egwu, ndị na-agba egwu a na-agba, ndị na-akwa ọja a na-eme nke e ji mara ha, ndị na-ama mbem ejiri olundị, ilu na akpaalaokwu ndị Ovoko wee na-eme ọha na eze obi ụtọ site na mbem ha na-ama.

Mgbe ihe ndị a na-eme, attama akatakpa abata n'ejiji ya dịka attama were ọjị gọọwa ọfọ, mgbe ọ gọọchara ọfọ, o bido mawa mbem nke ya; Akatakpa ebido machara egwu batawa n'ihu ama (obom) ahụ ebe ndị nkiri gbara okirikiri. Nke ọbụla batara, ọ gbaa nnukwu egwu wee na-ezipụta mmeme a na-eme, wee gafee. Mgbe nke a na-eme, ndị ọ bụ ọrụ ha ikesa ihe ebido ikesa ji ọhụụ ahụ ahụrụ n'ọkụ.

Ndị mmadụ ga na-eri ji ma jikwara anya na-agbara onwe ha ekeresimesi. Ọ bụrụ na akatakpa agafetachaa, attama akatakpa na ndị ozioko nọ n'ihu ama ahụ ekwuputazịa akatakpa kacha ibe ya maa mma, mara omenala, machaa egwu ma gbakarịa ibe ya n'egwu. Nke ọbụla a kpọpụtara dịka ọkaibe, ọ machara egwu pụta gaa kpụrụ ehi Awụsa (Nama) ma jiri obi aṅụrị machara egwu gagharịa gburugburu ahụ niile.

Fịgọ nke atọ: ehi (ihe nrite)



A kpọpụta akatakpa gbatara onye nke abụọ (second position), ọ machara egwu pụta gaa kpụrụ ebule ma mee ihe ndị ibe ya mere. Akpọpụta akatakpa gbatara onye nke nke atọ, ọ machara egwu pụta gaa kpuru ewu ma mee ihe ndị ibe ya mere. Akpọpụta akatakpa gbatara onye nke anọ, ọ machara egwu pụta gaa were óké ọkụkọ. Mgbe e mechara ihe ndị a, a gọọ ọfọ mmechi wee weta mmeme nke ụbọchị ahụ n'isinjedebe.

Fịgọ nke anọ: Akatakpa gbara onye nke abụọ, na-apụta ịkpụrụ ebule



Ụbọchị nke atọ na mmeme a ka a kpọrọ Uke Akpuruokwe. Mmeme nke ụbọchị a bụ na be ónyíshì Ovoko niile n'Ụmụezeavụrụ (the eldest man of Ovoko community) ka a na-eme ya. Ọ bụ n'ụbọchị a ka ónyíshì Ovoko ji enye ndị mmadụ niile bịara na be ya maka mmeme a ihe oriri na ọṅụṅụ n'ụzọ pụrụ iche. Ọ na-ewere ọjị gọọrọ ụmụ afọ Ovoko ndị nọ n'ụlọ ma ndị bi n'ụzọ ije ọfọ ndụ, nchekwaba na agamnihu tupu na e bido riwe oriri. Na mmeme nke ụbọchị a, akatakpa anaghị apụta kama ọ bụ naanị ndị mmadụ na-esonye na ya. Ọ bụ emume uke nke Akpụrụokwe a ka e ji eweta mmeme iti akatakpa nke afọ ahụ n'isi njedebe wee nwekwa olileanya na mmeme afọ ná-ábịá n'ihụ ga-aka mma.

3.2.3 Ndịiche dị n'etu iti Akatakpa ndị Ovoko n'oge gboo na n'oge ugbua

E nwere ihe ndị dịgasị iche n'etu iti e si eti akatakpa ndị Ovoko n'oge gboo na n'oge ugbu a. ha gụnyere:

1. E nwere otu obom/ama n'ọma ahịa Eke Ovoko maka mmeme a n'oge ugbu a mana ọ bụ n'ama ogbe dị iche iche ka a nọ eme ya n'oge gboo.

2. Ejiji/Ekike: Ejiji akatakpa n'oge gboo gụnyere; awuru, ebarị, àshákpà na ndị ọzọ mana n'oge ugbu a, akatakpa na-ejizi ejiji onye eze nke na ọ na-ekpunye okpu eze n'isi ma yiri n'ụkwụ ya akpụkpọ ụkwụ dabara adaba etu ákwà o yi si acha (colour to match). Ọ na-eyi nnukwu ákwà mara mma nke a kpanyechere ákà (beads) n'ahụ ya niile. A na-etunyezi abụba ugo bekee na-acha mmee mmee n'okirikiri isi ya mana ọ dịghị etu a n'oge gboo.
3. Arịa: N'oge gboo, arịa akatakpa gụnyere; ụtarị, òdò, nzụ na óche mana n'oge ugbu a, agbakwunyeela akupe na mkpara ndị eze nke ọ na-eji n'aka nakwa ihe ndị ọzọ na-eme ka emume dị ọgọ n'anya.
4. Ụbọchị mmeme: Ọ bụzi mkpụrụ ụbọchị atọ ka e ji eme mmeme a n'oge ugbu a, ọbụghịzi mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na asatọ, ya bụ izu asaa dịka ọ dị n'oge gboo.
5. Usoro mmeme: A na-ejizi ịkpụ ehi, ebule, ewu na ọkụkọ eme ihe asọmpị akatakpa kacha maa mma na nke kacha gbaa egwu ma zipụta omenala na mmeme a, mana ọ dịghị etu a n'oge gboo.
6. Ụbọchị akatakpa na-apụta: N'oge gboo, akatakpa na-apụta bido n'ụbọchị nke mbụ ruo n'ụbọchị nke ikpeazụ mana n'oge ugbu a, ọ bụzị naanị mkpụrụ ụbọchị abụọ ka ọ na-apụta.
7. Usoro nkwado: A na-akwadozi usoro iti akatakpa n'ụzọ a na-etinye ya na kọmpakịtị dịski nke ga-eme na onye ọbụla chọrọ ilele mmeme iti akatakpa ndị Ovoko n'ihe onyonyoo ga-elelenwu ya n'ebe ọbụla ọ nọ. Ọdịghị etu ahụ n'oge gboo.
8. A na-enwe onye mgbasa ozi ga-etinye mmeme a na redio ebe a ga-agbasara ndi mmadụ nọ n'akụkụ ụwa dị iche iche ozi maka mmemme iti akatakpa tupu n'ụbọchị ahụ eruo. O nwekwara nwoke a na-akwụ ụgwọ ka o buru ụgbọala gbagarie n'akụkụ Nsụka dị iche iche wee zisaa ozi mmeme a tupu ụbọchị ahụ. Nke a adịghị etu ahụ n'oge gboo. Mgbe ahụ, oge iti mmọnwụ bụ oge onye ọbụla na-ebu n'obi.
9. N'ime ka ya bụ iti akatakpa na-aga n'ihu, ndị Ovoko niile ma ndị bi n'ụlọ ma ndị bi n'ama (abroadians), ma ndị enyi ụmụ Ovoko bi n'ebe dị iche iche n'akụkụ ala anyị bụ Naijịrịa na ezita ọkpụrụkpụ ego e ji akwado ya bụ mmeme, mana a naghị eme etu ahụ n'oge gboo.

3.3.1 Uru dị n'iti Akatakpa ndị Ovoko

Ihe ọbụla na-enweghi uru ọ na-abara mmadụ maọbụ obodo anaghị anọgide. Mmọnwụ akatakpa baara nnukwu uru na ndụ ndị Ovoko. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

1. Mmọnwụ akatakpa na-egosiputa omenala ndị Ovoko: Iti mmọnwụ akatakpa na-ezipụta okpukperechi, omenala na nkwenye ndị Ovoko nwere n'ebe mmụọ ndị nna nna ha nwụrụ anwụ nọ.
2. Ọ na-ejikọta ndị Ovoko ọnụ: Nke a bụ n'ihi na ndị nọ n'ụzọ ije na-esi n'ebe dịgasị iche iche ha bi wee na- alọta ụlọ ka ha na ndị nọ n'ụlọ jikoo aka ọnụ mee mmeme a. ma ụmụnwaanyị a lụpụrụ gaa obodo ọzọ ma ndị di ha na-abịakwa sonye na mmemme a.
3. Ọ na- enye obi aṅụrị: Mmeme iti akatakpa na-enye ndị mmadụ obi aṅụrị n'ụzọ pụrụ nnukwu iche. Oke oriri na ọṅụṅụ na ihe nkiri dị iche iche na-adị na mmeme a na-enye ndị mmadụ obi aṅụri nke ukwu.
4. Ọ na-akwalite mmekọrịta obodo na obodo: Ndị Obodo ọzọ gbara Ovoko gburugburu dịka Iheaka, Ọrba, Ọbụkpa, Iheakpụ-Awka, Uhunowere, Obollo na obodo ndị ọzọ dị na Nsụka na-abịa esonye na mmeme a. Na mmeme iti mmụọnwụ akatakpa nke afọ a, otu onye n'ime ndị na ama mbem bụ onye Alọ-Ụnọ na Nsụka, onye ọzọ abụrụ onye Enugwu-Ezike n'Igbo-Eze North. Ha tinyere ndị Ovoko ndị ọzọ aka n'ịma mbem ka ihe a na-eme wee na-aga n'ihu etu o kwesiri. Ọzọ bụ na akatakpa ndị Ovoko na-eji ohere mmeme a wee na-aga n'obodo ndị ọzọ bidobere Ovoko iji mee ha obi ụtọ ebe ndị obodo ha gara na nke ha na-enye ha ọji, mmanya na ego.
5. Ọ na-enye ohere ikpokota ndị ọbịa n'obodo dị iche iche maka ihe nkiri: Ndị mmadụ ndị si na steeti ọzọ na-abụghị Enugwu na-eso ụmụ afọ Ovoko alọta maka mmeme iti akatakpa werekwa na-enye ọkpụrụkpụ ego maka ịkwalite ya bụ mmeme.
6. Ọ na-akwalite omenala ndị Ovoko: Iti mmọnwụ akatakpa na-enye aka akụziri ụmụ na-eto eto ọdịnaala na omenala ndị Ovoko nke ga-eme ka omenala towanye ghara ịnwụ anwụ.

3.3.2 Ọghọm dị n'iti mmọnwụ Akatakpa ndị Ovoko

Ihe ọbụla nwere uru ọ na-aba ga-enwekwa ọghọm dị na ya. Ọ bụ ya mere na a na-ahụta ụfọdụ ọghọm dị n'iti mmụọnwụ akatakpa ndị Ovoko. Ha gụnyere:

1. Iti mmọnwụ akatakpa na-ebute oke imefu ego: Ndị ọha obodo na-atụkọta nnukwu ego e ji azụta ihe ndị eji eme mmeme a dịka; ọji, odo, nzu, nri, mmanya, ọkụkọ, ehi, ebule, ewu, akwa ọcha na ihe ndị ọzọ. Ọzọkwa, ndị Ovoko bi n'ụzọ ije na-agba nnukwu ego ụgbọala alọta maka mmeme a. ọzọkwa, ụfọdụ na-emeru nsọ akatakpa ha butere na-amaghị ama, nke a na-akwụ ọkpụrụkpụ ego iji megharịa ya ka onye dị out a ghara ịnwụ ọnwu.
2. Ịgwọ ajọ ọgwụ: Ụfọdụ na-aga agwọta ọgwụ ga-eme na akatakpa ọzọ pụta n'obom/ama ebe a na-anọ eme ihe ngosi e si na ya ama akatakpa bụ ọkaibe ka ọ nọrọ ebe ahụ megheribe emegheri nke ga-eme ka ọ bụrụ ya bụ akatakpa gwọrọ ọgwụ ga-emeri na ya bụ asọmpị dị n'emume a. Ọzọkwa, ụfọdụ n'ime ha na-etinye ọgwụ (charm) n'ụtari nke bụ na onye a pịara ya ga-ebido rịawa ọrịa.
3. Ọ na-ebute ntaji anya na ụfụanya n'ebe ndị na-eyi akatakpa nọ: Obi anaghị adị ụfọdụ akatakpa mma n'ebe akatakpa bụ ọkaibe n'asọmpi kpụrụ ehi Awụsa mgbe e mechara mmeme a. Ọ bụ nke a mere na akatakpa nke bụrụ ọkaibe n'afọ anọ gara aga mechara kpuo ìsì n'ebe ọ gara ịtọpụta ebule dịka ọkaibe na ya bụ mmeme. Ọzọkwa, ọ bụrụ na akatakpa Ovoko akpachara anya pịa onye abụghị onye Ovoko ụtarị ruru ya na mmụọ, onye ahụkwa ga-ejiri ohere mmeme mmụọnwụ ọbụla ha na-eme n'obodo ha wee sie ọnwụ ịpịaghachị nwa afọ Ovoko ọbụla ụtarị ahụ a pịara ya n'oge gara aga.
4. Ọnwụ ike: O nwere ndị iti akatakpa dulerela mmụọ n'erughi eru. N'afọ ndị gara aga ka otu akatakpa nwụnyụrụ ọnwụ anya n'ihe mberede okporo ụzọ ebe ọ na-achọ ka o weta naira iri mmadụ tụpụrụ ya n'ala. N'ihi na o leghi anya nke ọma n'okporo ụzọ, ọ dabanyere nnukwu ụgbọala na-agafe nke kugburu ya n'otu ntabianya. Onye nke ọzọ akwụchanwughi ụgwọ akatakpa ọ gara bute. N'ihi na ọ chọghi ka ndị nke ya mara, o zobere ya nke mere na ọ nwụrụ ọnwụ ka e mechara mmeme iti akatakpa. Oge ụfọdụ, ndị si n'ebe tere aka alọta ụlọ maka mmeme a na-anwụkwa n'ihe mberede okporo ụzọ.
5. Ọ na-eme ka akatakpa na-enweghi òkè (price) ọ gbatara jiri iwe lawa na mmeme a.
6. Ọ na-ebute nletu anya na mkpari nyee akatakpa enweghi òkè ọ gbatara.

7. N'oge ugbu a, a na-ejizi mmanwụ akatakpa akpa arụ dị iche iche dịka akatakpa ichụwa nwaanyị ọsọ ma nara ya ọkpa o bu n'isi maọbụ akatakpa ịnara mmadụ ego ya n'ike maọbụkwanụ meruo mmadụ ahụ.

4. Nchọpụta na nchịkọta

Site na nchọcha a, a chọpụtara n'iti mmọnwụ ndị Ovoko dịka Akatakpa bụ ejije ọdịnala Igbo. E ziputara mmebere mmeme iti mmọnwụ Akatakpa ndị Ovoko nke gụnyere; njije, emereme, obom, ndị omee, ndị nkiri, ejiji, mkparịtaụka, arịa, asụsụ, nhazi, ntọala dgz. E gosipụtakwara na usoro mmeme mmọnwụ akatakpa Ovoko n'oge gboo dị iche na nke oge ugbu a. A chọpụtakwara uru dị n'iti akatakpa ndị Ovoko nke gụnyere ijikọta ndị Ovoko ọnụ, ịkwalite omenala Ovoko, inye obi aṅụrị, ịkwalite mmekọrịta obodo na obodo, ikpokọta ndị ọbịa n'obodo dị iche iche maka ihe nkiri; ma chọpụtakwa ọghọm dị na ya nke gụnyere: oké imefu ego, ịgwọ ajọ ọgwụ, ntaji anya na ọnwụ ike.

Site n'ihe ndị a chọpụtara na nchọcha a, iti mmọnwụ Akatakpa zuru oke n' ejije ọdịnala. A hụla na ejije iti mmọnwụ akatakpa ndị Ovoko abụghị ihe a na-eme n'oge ọ sọrọ onye. Ọ bụ ejije e ji emerube mmeme Uke ndị Ovoko. Etu o siri dị, ndị Ovoko ejighi ejije a eme ihe egwuregwu n'ihi na ọ bụ otu n'ime ụzọ ha si akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya nakwa omenala ha. Site na mmebere mmeme iti akatakpa a hụtara na nchọcha a, a ga-ekwenye n'iti mmọnwụ akatakpa ndị Ovoko bụ ejije ọdịnala n'ozuzu oke.

Edensibịa

Abrams, M.H. & Harpham, G.G. (2012). A *glossary of literary terms* (10thed.). Boston: Wadsworth Cengage Learning.

Aduku, A. I. (2018). Elements of Traditional African Drama in Nigerian Video-Film. https://www.researchgate.net/publication/323936121.accessed on 3/8/2021.

Agbedo, K. (2011). Mmeme ọmabe Ibagwa-Aka dịka ejije. A. B.A. project, Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian languages, University of Nigeria, Nsukka.

Akaeze, C.M., Aboh, S., na Ugwuoke, P. (2021). *Ntọala Ọdịnịigha Igbo Ọlọrọọhụrụ*. Anambra: Pacific college press Ltd.

Anene, K. L. (2011). Mmọnwụ dịka ngalaba nkwado iwu n'ala Igbo: Obosi dịka ebe mgbakwasị ụkwụ. A B.A project, Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ezema, A. O. (2012). *Ọdịnala ndị Igbo*. Ibadan: University Press Plc.

Ikeokwu, E.S. na Onyejekwe, M.C. (2004). *Mmalite na nghọta ejije Igbo ọdịnala na ọlọrọọhụrụ*. Enugu: CIDjap Press.

Iyida, K. U. (2017). Mmeme Ọmabe Imufu Enugwu-Ezike. A B.A. project, Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Llige, A. S & Escuadra, C. J. T. (2024). Mapping the terrain: A systematic review of drama research using data mining. India: Sage.

Mbah, B.M., Mbah, E.E., Ikeokwu, E.S., Okeke, C.O., Nweze, I.M., Ugwuona, C.N., Akaeze, C.M., Onu, J.O., Eze, A.E., Prezi, G.O., na Odii B.C. (2013). *Igbo-Àdì: Igbo-English, English-Igbo dictionary of linguistics and literary terms*. Nsụkka: University of Nigeria Press Limited.

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Nimo: Rex Charles and Patrick Limited.

Nwahunanya, (2012). *Literary criticism, critical theory and postcolonial African literature (3rd ed.)*. Owerri: Springfield Publishers Ltd.

Odo, C.U. (2014). Emume ọnwaesa na oriechicha n'Ovoko Akpuruokwe, A B.A project, Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ogenyi, S. & Igiligi, E. (2002). *Literature for Enjoyment: An introduction to Nature, Genres and Theories of Literature,* Enugu: CIDjap Press.

Okebalama, C. N. (2003). *Mkpọlite Agụmagụ Ọnụ Igbo*. Enugu: Snaap Press Ltd.

Onah, M.E. (2018). Elim na Akwamozu Nwaanyị nọ na di n'Eha-Alụmọna. A B.A. project, Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.